# NDỊ DIKE NKE OKWUKWE

### Ndi-Hibru 11:1-22.

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 442

### Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ndia nile nwuru n'uzọ okwukwe, ebe ha anatagh nkwa ahu, kama ha huru ha-ri, si kwa n'ebe di anya kele ha, we kwuputa na ha bu ndi-ọbia na ndi nọ dika ọbia n'elu uwa" (Ndi-Hibru 11:13).**

**Akọwara Okwukwe**

> **"Ma okwukwe bu ndabere nke ihe anēle anya, buru kwa nnwaputa nke ihe anāhugh anya" (Ndi-Hibru 11:1).**

Pọl, mgbe o gosịsịrị otú ndị Ju siworo dapụ kpamkpam n'ihi ekweghịekwe ha, malitere ná Ndi Hibru isi nke 11 nke a bụ́ nke amara nkeọma, náegosi na ihe mgbakwasị ụkwụ nke nsọpụrụ Chineke aghaghị ịbụ okwukwe -- **okwukwe nime obi. Okwukwe** bụ amara ahụ nke dị nime obi nke náenye mmadụ ike ịhụ́ ihe ahụ nke anaadịghị ahụ́ anya. Nke ahụ bụ ihe Pọl bu n'obi mgbe ọ sịrị:

> **"Ebe ayi nādigh-ele ihe anāhu anya, kama ihe anādigh ahu anya: n'ihi na ihe anāhu anya nādiru nwa oge; ma ihe anādigh ahu anya di ebigh-ebi" (2 Ndi-Kọrint 4:18).**

Ọ bụ náánị okwukwe pụrụ ime ka mmadụ nwee ike ịhụ ihe anaadịghị ahụ́ anya; ọ naewepụta ihe ahụ nke anaadịghị ahụ anya ka ewee hụ ya anya ma náeme kwa ka amata ihe ahụ nke anaamataghị. Okwukwe naeme karịa náánị ime ka anyị kwere, ọ naeme ka anyị mata. Nke a mere Pọl ji kpọọ ya nnwapụta nke ihe anaahụghị anya. Ọ naewepụta ya n'ebe anaahụ́ ya nkeọma n'anya ma naetinye ya n'obi n'ụzọ pụtara ìhè nke náeme ka ajụjụ dum bụrụ ihe ewezụgara. N'ebe ahụ ka nchekwube nke OnyeKraist naabata; site n'okwukwe ọ naenwe ntọala ya n'elu nkume siri ike. Nke ahụ bụ ihe Aisaia naatụ̀aka mgbe o kwuru ihe banyere ntọala ahụ nke náeguzosiike. Ntọala ahụ bụ Kraist: mgbe ewukwasịrị anyị n'elu Ya, nchèkwube nke anaapụghị iwezụga naabata nime obi. Site kwa na ntọala nke okwukwe ahụ nke dị nime mkpụrụobi ka ịdịmma niile dị icheiche nke ndụ nke OnyeKraist si náerupụta.

Nke ahụ bụ ihe nyere ndị nna anyị ochie ha, ndịkom nke Chineke, na ndị ahụ egburu n'ihi okwukwe ha na mgbe ochie ike inwe ntachịobi gafee iheukwu na ihentà, iguzogide ụwa nke kpọrọ ha asị na ụmụmmadụ ndị náachị ha ọchị na ndị mkpagbu bụ́ ndị náachụgharị ha dịka òké otú ọ dị ha náejidesi kwa okwukwe ha ike -- ha nwere nchèkwube ahụ nime obi ha. Ha weere ihenkwagide ha site n'ihe ndị ahụ anahụ́ghị anya. Pọl gara n'iru náagụpụta ndịkom na ndịnyom ndi biri ndụ n'oge nke Agba Ochie bụ́ ndị anyị nọ náamụ ihe banyere ha, wee naegosị otú ha niile n'otù n'otù si merie, gbaaọsọ ha, jezue ozi ha, wee nwee mmeri site n'okwukwe. Ọ malitere n'isi ma ọ kpọghị Adam aha -- achụpụrụ ya n'Ubi ahụ agbara ogige. O nwere ohere ọma dị ukwu ma ọ rapụrụ ya ka o funarị ya n'ihi ihe náerughị otù iheoriri ntà; ya mere agụnyeghị ya n'etiti ndị dike ahụ. Ndịkom ndịa, ọ bụ ezie na adịghịike dị icheiche gbara ha gburugburu, ha enweghị kwa ọtụtụ urù dị icheiche dịka Adam nwere, ha meriri n'ebe Adam dara.

**Ebel na Ken**

Adam nwere ohere nke ịhụ́ nime ezinaụlọ ya ihe mmehie pụrụ ime, ihe nnupụisi ahụ n'Ubi ahụ agbara ogige pụrụ iweta dịka owuweiheubi; ọ malitekwara n'arụ ụmụ ya ndịkom. Anyị gaamalite n'ebe Ebel nọ.

> **"Okwukwe ka Ebel ji che àjà n'iru Chineke nke ka àjà Ken chere nma, nke esitere na ya gbara ya àmà na ọ bụ onye ezi omume, ebe Chineke gbara àmà banyere onyinye ya nile; o site kwa na nke ahụ nēkwu okwu ugbu a, ọ bụ ezie na ọ nwuru anwu" (Ndi-Hibru 11:4).**

Anyị nwere ike ịlaghachị azụ n'ihe edere banyere Ebel na Jenesis 4:3-15. Ndịkom ndịa wetara onyinye ná mmalite oge a. Nke ahụ n'onweya naegosịpụta na ha nwere mmetụta nke mkpà ọ dị bụ́ ime ka mmadụ na Chineke dị n'udo. N'ụdị ọ bụla ha jiri ghọta eziokwu ahụ, ha nwere n'ezie mmatụta nke

nkewapụ n'ebe Chineke nọ; ọ dị kwa ihe anaaghaghị ime iji jikọta ha na Chineke. Omume dị otú ahụ ka anaahụ mgbe ọ bụla n'etiti àgbụ̀rụ̀ niile na agbanyeghị ihe nkwenye dị icheiche nke okpukpe ha bụ. Ọbụná ndị naekpere arụsị naeche onyinye dị icheiche n'iru chi ha. Ọ bụ ihe ngosi na ha matara mmehie ha. Mmụọ nke Onyenweanyị nke naeme ka amata na emehiewo naabịakwasị ha.

Eziokwu ahụ abatawo n'obi Ebel. Eleghịanya ọ batawo kwa na nke Ken, ma Ken gosipụtara omume dị iche. Anamekwenye na Ken maara ihe dị mkpa iji mezue ihe Chineeke chọrọ dịka Ebel mere, ma ọ jụrụ ime ya. O gosịrị otù ụdị mmụọ ahụ nke naapụta ìhè n'ụbọchị taa -- ikpèrè nke naapụghị irulata, uche nke naapụghị ikwenye, omume nke ezubere iji megide Chineke.

Ebel chere nwaatụrụ, tụkwasị ya n'elu ebe ịchụàahụ, Chineke wee nara ya -- eleghịanya site n'ọkụ isi n'Eluigwe rịdata – ebe ajụrụ nke Ken. Mgbe ahụ iwe were Ken. O biliri megide nwanne ya wee gbue ya, ọbụná mgbe Onyenweanyị dọsịrị ya akanántị.

Ebel wetara onyinye nke nwere ọbara, nwaatụrụ egburuegbu, nke ma ọ bụrụ na ọ dịghị mgbaghara mmehie agaghị adị. N'ụzọ dị otú a ọ chọrọ ịgụmmadụ n'onye eziomume site okwukwe. Ken n'akụkụ nkeọzọ, n'ịgbaso nchepụta niile nke obi anụarụ naachị, wetara mkpụrụ dị icheiche nke ala, ihe nke sitere ná ndọgbu n'ọlụ ya pụta, wee site n'ụzọ dị otú a chọọ ịgụmmadụ n'onye eziomume site n'ọlụ. Nke a bụ ihe mere eji nara onyinye nke Ebel ma jụ nke Ken. Site n'ụzọ dị otú a anyị naahụ́ ụdị okpukpé abụọ pụtara ìhè ná mmaelite oge a: ezi okpukpé ahụ nke nwere mmalite ya site na Chineke bụ́ nke náachọ Ọbara Mkpuchimmehie n'ihi mmehie, nke náalụpụta ịgụmmadụ n'onye eziomume site n'okwukwe; na okpukpá ụgha ahụ nke mmalite ya sitere n'aka mmadụ, ụdị ahụ ọbara náadịghị nime ya nke náachọ ịgụmmadụ n'onye eziomume site n'ọlụ. Ọ bụ ihe ndị okpukpé Ọbịaraọhụụ naejidesikwaike taa: ọ dịghị mkpà, ka ha náasị, inwe ịchụàjà. Ọbara nke Mkpuchimmehie ahụ bụ isiihe nke ndị okpukpé ọbịaraọhụụ -- ebusi agha ike megide. Ha jikere ịnara Jisọs dịka onyeòzízí: ha jikeere ịnara Ya dịka Nnaukwu; ha jikeere ịtụ ya aka dịka óké ezi ihe àtụ̀: ma mgbe abịara na Ọ tọgbọrọ ndụ Ya ịbụ àjà n'ihi mmehie, ha akwụsị n'ebe ahụ. Okpukpé abụọ ndịa naadịgide rue ụbọchị taa.

**Inọk**

> **"Okwukwe ka eji bubiga Inọk ka ọ ghara ịhu ọnwu: ahugh kwa ya, n'ihi na Chineke bubigara ya-ri: n'ihi na mgbe akēbubigagh ya agbaworo ya àmà na ihe ọ nēmeri nātọ Chineke ezi utọ.**
>
> **"Ma asi na okwukwe adigh ọ bu ihe anāpugh ime, bu ime ihe gātọ Chineke ezi utọ: n'ihi na onye nābiakute Chineke aghagh ikwe na Ọ di, na O nēgosi kwa Onwe-ya Onye nēnyeghachi ndi nāchọ Ya ugwọ-ọlu."**

Anyị nwere ihe nkọwa dị ntà banyere ndụ Inọk, ma nke enyeworo naekwu ọtụtụ ihe. Na nke mbụ ọ naasị na Inọk soro Chineke jeeijè. Ya mere, anyị ji kwa nke a mata na ọ bụ nwoke dị nsọ na onye eziomume. Ọ bụ onye, dịka Ebel, mazuru ihe niile nke Chineke chọrọ wee weta ihe ịchụàjà ndị ahụ náatọ Onyenweanyị ụtọ, wee nata ịdịnsọ a site n'imezu n'ụzọ dị otú a ihe nke Chineke naachọ.

Adam soro Chineke jeeijè tupu ya adaa, ekekwara ya n'ezi ịdịnsọ na eziomume. Ọ dịghị onye pụrụ iso Chineke jeeijè ma ewezuga amara ndịa. Isoro Chineke nwekọọihe naewe ndụ ziriezi ma ijéijè n'ịdịnsọ; ọ dịghị kwa ụzọ ọzọ nke onye ọ bụla pụrụ iji soro Chineke nwekọọihe. Okwu ahụ bụ "jeeijè" nwere nkọwa dị omimi. Ọ dị n'ụdị asụsụ ndị Hibru nke pụtara: Inọk doro onweya isoro Chineke jeeijè. Nke ahụ naegosipụta mkpebi. O soroghị Chineke jeeijè dịka ihe náatọ ya ụtọ n'ihi na ọ dịrị ya mfé, kama o doro onweya ime ya, ma kpebie kwa ime ya.

Rịba ịdịmma niile nke nwoke a àmà: ịdịnsọ, eziomume, mkpebi. O soro Chineke jeeijè narị arọ atọ. Ọ dịghị mgbe ekwuru na ọ daghachiriazụ n'ogologo oge ahụ niile. Nke ahụ naegosi ịnwe ntachịobi. Emesịrị wee sị na o mere ihe náatọ Chineke ezi ụtọ. Nke ahụ pụtara, otù ihe, nrubeisi. Ọ bàghị urù mmadụ ikwu ihe banyere okwukwe ya n'ebe Chineke nọ ma náenupụrụ ya isi. Ndị mmụọ ọjọọ kwere wee kụja. Ọ bụrụ na mmadụ kwere dịka Akwụkwọnsọ si dị ọ naerubere Chineke isi wee náejéijè n'iwu Ya niile na n'ụ̀kpụ̀rụ̀ ya niile.

Ihe a niile pụtara na Inọk nwere obi zuruòkè, obi nke kpebiri ime ihe náatọ Chineke ụtọ n'ihe niile ọ naeme. Okwukwe ka Inọk jiri soro Chineke jeeijè. Náenweghị obi abụọ adịghị ahụ́ Chineke anya, dịka

Ọ dịrị Moses; ma Moses jisiri ike dịka agaasị na ọ na ahụ́ Ya anya bụ́ Onye anaapụghị ịhụ́ anya. Náenweghị obiabụọ Inọk gara n'otù ụzọ ahụ. Ọ bụrụ na anyị na ahụ́ Chineke anyị na ahụ́ Ya n'okwukwe; ọ bụghị site n'anya nke anụarụ ndịa, kama site n'anya nke okwukwe. Nke ahụ bụ, náenweghị obiabụọ ihe mere Inọk jiri nọgide. Ọ bụ ihe kpatara Moses jiri nọgide. Site n'otù okwukwe a ebubigara Inọk gaa n'eluigwe náanwụghịanwụ. Nke ahụ pụtara mgbanwe dị ngwangwa n'otù mgbe -- na nwa mgbe ntà, n'otù ntabianya. Inọk nwetara mgbanwe a náagafeghị site n'ílì. O sogidere Chineke náaga ijè námmekọrịta na nnwekọ tutu rue mgbe oge ahụ bịara mgbe ọ rapụrụ ụwa nke a wee fue n'anya, ndị enyi ya ahụ́ghị kwa ya ọzọ. Okwu Chineke naagwa anyị na ebubigara ya gaa n'eluigwe náanwụghịanwụ.Nke ahụ bụ mgbe akaemebighị ụwa site n'ijummiri.

Inọk biri n'oge ochie ahụ mgbe maeleghịanya, ọ dịghị otù ahịrị Okwu Chineke edepụtara edeputa, ma otú ọ dị ọ kpara Chineke ezi nso, náemezu kwa ihe niile Chineke chọrọ, nke mere na o ruru n'ihe ahụ anaagbata n'ọsọ nke bụ ọkpụkpọ ahụ nke akpọrọ Nzukọ Kraist; inọ ná njikere maka ụbọchị ahụ mgbe Onyenweanyị gaapụta ìhè. Mbubiga nke Inọk gaa n'eluigwe na ndụ bụ otù ụdị nke mwelikọ nke Nzukọ Kraist. Anyị nwere ụdị ọzọ ka emesịrị n'ebe Elaịja nọ, n'oge nke ndịamụma.

**Noa**

> **"Noa, mgbe Chineke dusiri ya ọdụ banyere ihe akāhugh anya rue oge ahu, ebe o turu egwu Chineke, ọ bụ okwukwe ka o ji dozie ugbọ izọputa ezi-na-ulo-Ya; o site-kwa-ra na nka ma uwa ikpe, we ghọ onye-nketa nke ezi omume ahu nke di n'uzọ okwukwe."**

Noa ebighị n'ọgbọ nke agaasị na ihe naaga nkeọma. Enwere ọtụtụ nkọwa banyere ọnọdụ dị icheiche nke dị n'ụwa n'oge ya. Ana ekwu na ajọomume nke mmadụ baraụba nke ukwuu na ụwa juputakwara n'ihe ike ma bụrụ kwa ihe emeruworo site n'aka ndị bi nime ya.

Ụwa akabeghị nkà n'oge Noa ma Chineke naejikere ime ka ọ kwụsị. Ọ naeju ndị mmadụ anya ihe kpatara Chineke ji náarapụ ọnọdụ ụfọdụ ka ha dị otú ha dị n'ụwa taa. Ọ gaeme ka ọ kwụsị n'oge nke aka Ya.

Chineke hụrụ ihe niile nke náeme n'oge nke Noa. Iheọzọ O kwuru bụ na mmadụ bụ kwa anụarụ; nke bụ́ na, enyefere ya ịbụ nke anụarụ. Náebi ndụ nye anụarụ, ihe niile nke anụarụ ka ahụkwara ná ndụ ya. Ma n'etiti ọnọdụ dị otú ahụ ka enwere onye a pụrụ iche, bụ́ Noa.

Ekwuru banyere ya na ọ bụ onye "ezi omume." Nke ahụ pụtara na ọ bụ onye eziomume, na o nwewo nnwapụta nke ezi nzọpụta, nwee kwa odudonsọ ma eleghịanya. O sooro Chineke jee ijè dịka Inọk; o "doro onwe ya isoro Chineke náeje ijè." Anaekwu kwa banyere ya na o zuruòkè n'ọgbọ ya. N'ebe ahụ ka ị naenwe ihe atọ nke ekwuru banyere Noa bụ́ nke dị iche n'ihe anaekwu bnayere ụwa: Ọ bụ onye eziomume, o sooro Chineke jee ijè, ọ bụ kwa onye zuruòkè n'ọgbọ ya.

Ọ naeju anyị anya bụ́ ịdịelu niile nke imemmụọ nke ndị nnaochie ahụ ruru ọbụná n'ihe dị ntà nke ha nweworo. Ọ bụ nnọọ ihe mwute nye oge anyị a nke ihe ọmụma na nke ụ̀kpụ̀rụ̀ dị icheiche nke OnyeKraịst, ebe anyị naenwe Okwu Chineke n'òzùzùòkè ya n'iru anyị ma ezi ọnọdụ nke imemmụọ dị nnọọ ntakiri nke ukwuu nime ihe ndịa niile. Ọ bụ nke a mere isi ebe ọgụgụ a ji bụrụ nnọọ ihe ịgbà ume nye OnyeKraịst.

N'ụbọchị Noa, Chineke kpebiri mbibi nke anụarụ niile; ọbụná nime mkpebi ahụ O nyere ha arọ 120 nke àmàrà bụ́ nke ha pụrụ iji chègharịa wee chọọ Chineke ma ọ bụrụ na ha rọọrọ ime ya. Ma n'arọ ndị ahụ niile ọ dịghị ihe gosiri na otù onye nime ha jiri ohere ahụ mee ihe maọbụ welie otù nzọụkwụ ijékwuru Chineke.

N'ikpeazụ oge ruru mgbe Noa bara nime ụgbọ ahụ. Emere ihe niile, alụsịrị ọlụ ntakịrị ikpeazụ ahụ, ya onwe ya na ụmụ anụmanụ ndị ahụ gaeme ka ndụ fọdụ n'elu ụwa wee baa n'ụgbọ ahụ. Agwara anyị na Chineke mechibidoro ha nime. Otù ọnụụzọ ahụ nke mechibidoro ya nime mechibidoro ndị ọzọ fọdụrụ n'ezi. Nke ahụ pụtara mbibi nke ụwa ahụ.

Ọbụná dịka emechiri ọnụụzọ ahụ, otú a n'otù nime ụbọchi ndị a agaemechi kwa ọnụụzọ nke àmàrà, nke ahụ gaapụta mbibi nke ndị mmehie nke ọgbọ a. Ihe ahụ nke náeweruta nke a nso anyị bụ ihe Jisọs kwuru banyere ọnọdụ a:

> **"Ọ bu kwa dika ubọchi Noa diri, otú a ka obibia Nwa nke madu gādi" (Matiu 24:37).**

Lee ihe pụtara ìhè nke yiri ibe ha n'oge dị ugbu a na n'oge nke Noa: ihe ike jupụtara n'ụwa, ihe ọjọọ nke mmadụ riri nne, ụwa bụ kwa ihe ndị bi nime ya bibiworo n'ajọomume. Nke ahụ bụ nkọwa zuruòkè nke ihe náeme n'ụwa ugbu a. Ihe ndịa naeme ka anyị mata na anyị nọ ezi nso n'ọbịbịa nke Ọkpara Chineke.

Ihe niile nke Noa mere ka o mere site n'okwukwe. Ekwuru na " ọ turu egwù Chineke" (maọbụ "ọ bụ egwù ka o jiri bilie"). Nke ahụ abụghị egwù nke mbibi nke ya onwe-ya maọbụ nke ezinaụlọ ya; kama ọ bụ egwù nke nsọpụrụ Chineke -- egwù n'ụdị nke ọ pụghị inwe obiabụọ mgbe ọ bụla n'ebe Okwu Chineke dị ọbụná n'otù nkeji. O weere Chineke n'ezie dịka ihe O kwuru si dị, wee pụọ ịlụọlụ náedozi ụgbọ ahụ mgbe anaenwebeghị ihe ọ bụla náegosi na ijummiri ahụ gaadị. Ọ bụ ihe nzuzu, eleghịanya, n'échìchè nke ndịọzọ bi n'ụwa n'oge ahụ; ma o mezuru dịka Onyenweanyị kwuworo.

**Abraham**

**"Mgbe akporo Abraham, okwukwe ka o ji ña nti ipu je ebe nke o gaje inara ka o buru ihe-nketa; o we pua, nāmagh ebe o nēje" (Ndi-Hibru 11:8).**

Ndịkom ndịa nke Chineke bịara site na mgbe rue na mgbe, dịka ihe nke náenye ịdọakanántị banyere iheegwù maọbụ nke náeduzi ụzọ. Enwere Noa n'oge nke ya; ma mgbe ihe dịka narị arọ anọ gasịrị i wee bịakwute Abraham n'oge nke ya; otú a ka ọ naaga náeguzo dịka ihe ncheta banyere amara nzọpụta nke Chineke -- ndịama nke ihe okwukwe pụrụ ime n'obi mmadụ.

Ọ bụ nnọọ ihe ekwesịrị ikwuokwu banyere ya na Abraham ajụghị ajụjụ banyere ọkpụkpọ òkù ahu, ọ dịghị kwa otù okwu o nwere ikwu. O jikeere ngwangwa; otù onye arụ ya ọzọ nke gosịrị mmasị isoro ya bụ Lot. Abraham wee kpọrọ nwunye ya na ndị ha nwere (ndị orù, ná gbaghịagụgọ) wee malite ijè ha iru ala ahu nke ha ná amaghị ihe ọ bụla banyere ya. Okwu Chineke naasi, "Ha we ba n'ala Kenean" (Jenesis 12:5). Otù okwu ndị ahụ si náada masịrịm. Ọ náada dịka aga asi na Abraham ji ọlụ ya kpọrọ ihe. O mere ha niile site n'okwukwe.

Ikperearusi gbara Abraham gburugburu n'akụkụ niile. Ọ dịghị kwa ihe ọ bụla nke pụrụ ịtụrụ ya aka n'ebe Chineke dị ndụ nọ; ma Onyenweanyị ropụrụ ya site na mkpọrọọgwụ, dịka anyị pụrụ ikwu, ka ewee kụgharịa ya. Ọ chọrọ mkpebi zuruòkè n'ebe Abraham nọ.

Chineke zuruòkè mgbe niile. Ụfọdụ mmadụ na enwe mkpesa na nke a bụ Oziọma zuruòkè n'ụzọ niile. Nke ahụ bụ okwu mwulielu nke kwesịrị ya, n'ihi na ọ bụ Oziọma nke naeweta mgbanwe zuru oke n'uzọ niile. Mgbe Chineke na amalite ime ihe, ọtụtụ ihe na alụpụta ihe atụrụanya inweta. Ọ na achọ kwa nrubeisi zuruòkè nye Okwu Ya. Ihe ekwesịrị ikwu banyere ndịkom ndịa nke Chineke bụ na ha biliri mgbe Chineke kwuruokwu, ọbuná ma asị na ọ pụtara ịnapụ ha ndụ nke aka ha. Nke ahụ bụ otú ha si were ofufe ha n'ebe Chineke nọ. Ọ dịghị mgbe ọ bụla ha kwụsịrị ná agbanyeghị ihe ọ bụla o nwere ike ịpụtara ha, ná agbanyeghị kwa ịchụàjà ọ bụla nke ọ gaachọ.

Ejim anya nke imemmụọ ná ele nwoke a bu Abraham ka ọ naekewapụ onwe ya site n'ihe niile gbara ya gburugburu, site n'ebe ndị enyi ya niile no, site n'ebe nkekọ niile nke ezinaụlọ ya dị; wee pụọ ya na mmadụ olenaole ndị sooro ya ịbà nime ala a nke ọ ná amaghị. Ọ dị ihe ọ pụtara nye ya, ma o mere nke a n'ihi ọkpụkpọòkù nke Chineke. Ọ batara nime obodo a nke ọ náamaghị na mbụ. Anyị na ahụ́ ya ka ọ na abịa n'akụkụ ọwụwaanyanwụ nke Betel. N'ebe ahụ ka ọ mara ụlọikwuu ya ma wue kwa ebe ịchụàjà nke Chineke.

Ihe mbụ nke Abraham mere bụ iwu ebe ichụàjà. Ị ga achọpụta mgbe I náeso Abrahm n'ihe ya niile na Chineke na abụkarị ihe mbụ. Ihe ọ bụla o mere, ebe ọ bụla o jéré, ị ga ahụ́ ya ka ọ na ewukwasị ebe ịchụàjà nye Chineke. Nke ahụ pụtara na ọ na amalite inwe òfùfè nke ya na Chineke n'ebe ọ bụla ebe ịchụàjà ahụ dị.

Otù nwoke n'ikwuokwu banyere nke a sịrị, "Lee madu ole-na-ole ha di bu ndi na-ewu ulo-obibi ma na-eche kwa échìchè banyere iwuru Onye-nwe-ayi ebe-ichu-àjà!" O wee mechie okwu ya ná asị kwa, "Lee ka ha si dị olenaole bụ ezi ndị okpukpé ahụ ná ekpere Chineke dị ndụ ndị sureworo ụlọ ha ọkụ."

**"Okwukwe ka o ji biri dika ọbia n'ala nke ekwere ya-ri na nkwa, dika ala nābugh nke aka ya, ebe o biri n'ulo-ikwu, ya na Aisak na Jekob, ndi soro ya nēketakọ otù nkwa ahu" (Ndi-Hibru 11:9).**

Onyenweanyị ekweworị mkwà na ala nke a gaabụ nke ya, ma n'oge niile nke ndụ Abraham náání ihe onwunwe o nwere n'ala ahụ bụ ebe ana eli ozù, o ji kwa ego nke aka ya zuta nke ahụ. Ya mere ọ hụghị mmezu nke mkwà ọ bụla nime mkwà niile ahụ n'onwe ya; ma n'oge a niile ọ gụghị onwe ya n'ihe ọ bụla ma ọbụghị onye ijè na onye ọbịa. Nke ahụ abụrụwo okwu nke ndị Kraist matara nkeọma; ma ọtụtụ igwe mmadụ ndị náekwu otù okwu ahụ, site n'omume niile ha karịa okwu ọnụ ha, naegosi na ha ka nọ n'afọojuju n'ụwa a karia ka ha na anọ n'ebe Onyenweanyi nọ. ọ dị ihe ọ bụ, ịbụ onyeijè na onye ọbịa n'ebe a.

Ebe ọ bụ agbụrụ Abraham ka agaenye ala nke a -- Abraham pụkwararị iji anya ya hụzue kwa ala ahụ -- ma Pol náagwa anyị ihe ezi nlepụanya ya n'ọdịn'iru bụ.

**"N'ihi na o nēle anya obodo ahu nke nwere ntọ-ala ahu, nke Chineke bu onye-ọ̀ka-ya na onye luru ya."**

Ka m' jụọ gị: Nlepu anya nke Abraham maka ọdịn'iru n'oge ahụ n'ihe dịka arọ 1900 tupu amụọ Kraist ọ dị iche n'ihe Chineke na achọ ka ọ bụrụ n'oge dị ugbu a? maọbụ ihe ahụ nke nlepu anya maka odin'iru nke Onye Kraist kwesịrị ibụ? Ọ bụ nwoke onye ruworo ntozuòkè nke imemmụọ ahụ nke oge nke ndị Kraist, bụ ihe ahụ nke na enwukarịa nke anyị nwere n'Okwu Chineke n'ụbọchị taa. Dịka anyị matara, ọ dịghị otù ahịrị nke Okwu a nke edepụtara edepụta n'oge nke Abraham. Ihe ọ bụla ọ natara bụ ihe Onyenweanyị gwara ya n'ụzọ inye iwu maọbụ n'okwu. Ọ dịghị mgbe ọ bụla o legiderịta anya ya n'ihe nketa ahụ. Ọ matara na mgbe ahụ, dịka anyị si mata n'ụbọchị taa, na ala ahụ bụ náání ihe atụ̀ nke Ala ka Mma nke Chineke.

Ọ bụ ezie na enwere mkwà nke ihe ụfọdụ na adị nwa oge nke ekwere mkpụrụ Abraham ga anọchi ya, na ngọzi dị icheiche ha gaenweta n'ala a. Ha nwetakwara harịị mgbe ha rubeere Chineke isi, n'ihi na ka Chineke wee nwee ike imezu àtụ̀mààtụ̀ Ya nke mgbapụta, na nzube Ya na Israel aghaghị ịbụ ndị aga esite n'aka ha mee ka àtụ̀mààtụ̀ ahụ pụta ìhè nye ụwa, ọ dị mkpà ka ewukwasị ha dịka mba. N'ihi nke a Ọ gọziri ha n'ihe ana ahụ́anya; ma O zubeghị na ngọzi nke ihe ana ahụ̀anya nke Ọ na enye anyị taa gaabụ ngwụsị nke ihe niile. Ọ na atụ́anya n'aka anyị ile anya gafee ihe ndịa, dịka Ọ tụrụanya n'aka ndị Israel ile anya gafee ihe ha natara.

Ndịkom nke imemmụọ ahụ sooro Chineke jeeijè ma soro kwa Chineke kwurịta okwu, bụ kwa ndị nwere nlepuanya n'iru n'ihe nke imemmụọ, hụrụ gafee ngọzi ndị ahụ nke ná adị nwaoge. Anyị achọghị inwe nghọtahie n'ebe nzube nke Chineke nye Israel dị, wee ná echè na ọ bụ náání ihe nke ana ahụ́anya, na ndị ahụ bụ náání ngọzi nke ha pụrụ ịnata, ebe anyị onwe anyị n'oge a ga anata ngọzi nke imemmụọ. Ha nwere ike ịnata ngọzi nke imemmụọ dịka anyị onwe anyị taa -- otú ọ dị, ngọzi ndị ahụ bụ nke ha. Anyị na ahụ́ n'ebe a ndepụta nke aha ndịkom ahụ bụ ndị ji ohere ha nwere mee ihe wee nata ngọzi nke imemmụọ ahụ. Ọ bụrụ kwa na ndịkom nke Chineke ndịa pụrụ ịmata ha, ndị Israel niile ga enweworị ike ime otùaka ahụ.

**"Ndia nile nwuru n'uzọ okwukwe, ebe ha anatagh nkwa ahu, kama ha huru ha-ri, si kwa n'ebe di anya kele ha, we kwuputa na ha bu ndi-ọbia na ndi nọ dika ọbia n'elu uwa" (Ndi-Hibru 11:13).**

Enwere ihe nke eluigwe dị n'okwu ndị ahụ. Ọ dịghị mgbe ha nwetara mkwà niile ahụ nke Chineke kwere, ma ha hụrụ ha n'ezi nlepuanya dịka ha na aga. Jisọs sịrị, "Obi tọrọ Abraham utọ nke uku ihu ubọchim" (Jọn 8:56). Ọ hụrụ Mesaia ahụ nke ná abịa, ọ hụrụ Mkpụrụ ahụ nke Chineke kwererị ná mkwà; nke ahụ bụ kwa ihe gbara ya ume ma mee kwa ka ọ ñụrịa.

Ndịnsọ n'ụbọchị nke Pọl kwere ná mkwà niile nke ọbịbịa nke ugbò abụọ nke Onyenweanyị. Ha ahụtaghị ya site n'ebe dị anya dịka n'ụbọchi nke ha. Gịnị bụ ihe ijigide mkwà ndị ahụ na ịhụ́ ha n'anya lụpụtaara ha? O mere ka ha náejéijè nánleruanya, ịdị ndụ nke imemmụọ na ịkpá Onyenweanyị nso. Ọ gaeme kwa otù ihe ahụ n'ụbọchị nke anyị. O meere Abraham n'ụbọchị ya. Asị na ha rapụrụ mkwà ndị ahụ ha agaghịrị enweta ha.

**"N'ihi na ndi nēkwu ihe di otú a nēgosi na ha nāchọ ala nke gābu nke aka ha" (Ndi-Hibru 11:14).**

Ọ naatụghachi aka azụ n'eziokwu ahụ nke bụ́ na Abraham lere anya maka otù "obodo ahu nke nwere ntọ-ala ahu nke Chineke bu onye ọ̀kà ya na onye luru ya," wee gụọ onweya na ezinaụlọ ya dịka ndịijè na ndị ọbịa.

**"Ọ buru kwa na ọ bu ezie na ha nēcheta ala ahu nke ha si nime ya puta, ha gēnwewori oghere (ohere) ilaghachi" (Ndi-Hibru 11:15).**

Ọ bụrụ na Abraham chọrọrị ịlaghachikwuru ụmụnna ya na ịla n'obodo nke aka ya Chineke gaekwewọrị ka o jee. Ọ bụ ezie na Chineke kwere mkwà ahụ, ohere dịkwaara Abraham ịlaghachị azụ mgbe ọ bụla. N'ezie, ọ dịbeghị anya site na mgbe ọ batara nime nnukwu ala a nke mmiriaraehi na mmanụañụ naeru nime ya, rue mgbe ụnwụ bịakwasịrị ya, o wee rapụ Kanean tutu rue mgbe ọ gabigasịrị. O nwere ọtụtụ ohere ịjụ Chineke ajụjụ banyere mkwà O kwere, ma o meghị ya.

Okwukwe buuru ya gafee obiịdamba niile na ebe niile sịrịike: okwukwe nime Chineke, ọ dịghị iheọzọ. Mgbe ọ náapụghị ịhụ́ ihe, ọ nọgidere náekwere ma náeguzosi kwa ike. Ọ bụrụ na ọ dị ihe ọ bụla nke pụrụ ime ka mụ na gị guzosie ike imegide obiịdamba, imegide akụ́ụta ndị ahụ náenwu ọkụ nke onyeiro (échéghị kwam na ọ dị ihe ọ bụla náenwu ọkụ nke dị kwa nkọ ma náabami kwa omimi karịa obiịda mba) ọ bụ́ ọ́tá nke okwukwe. Ọ bụghị ihe ijuanya na Pọl sịrị, "Tukwasi ihe nile ndia welienu ọta nke bu okwukwe" (Ndi Efesọs 6:16).

Ọ dịbeghị óké ihe nke meworo imegide ịnọ n'udo anyị kemgbe Chineke wụsara Mmụọ Ya n'arọ 1906. Ọgbakọ a nke ndị kwereekwe etowo; Chineke agọziwo ya; ọ gawo n'iru. Ọ bụ ezie na anaenwe nnwapụta dị icheiche n'ụzọ ijè, ma ha naabụkarị nnwapụta nke náabịara anyị n'otù n'otù. Ọ dịbeghị mkpagbu nke apụrụ ikwu ihe banyere ya; ma eleghịanya tupu ọsọ a gaagwụ enwere ike ịnwapụta okwukwe anyị n'ụfọdụ ụzọ ndị ahụ. Otù ihe anyị matara bụ na ike ọjọọ dị icheiche nke náebili n'ụwa a naabịaru nso n'ọnụụzọ anyị kwa ụbochị. Ihe anyị chọrọ n'ụbọchị ndịa bụ ime ka anyị guzosieike nime mmụọ site n'otù okwukwe ahụ nke mere ka ndị nsọ ahụ nke mgbe ochie guzosieike; okwukwe ahụ bụ kwa nke Chineke naakụnye n'obi onye ọ bụla nke náatụkwasị Chineke obi.

**"Ma otú ọ di ugbu a ha nāgbaso ala ka nma, …."**

Ọ dị ihe karịrị ọbụná Ala Mkwà ahụ na mmiriaraehi na mmanụañụ ya, ụyọkọ grape nke Eshkol ya na ngọzi niile nke si na ya apụta mma.

**"…. nke ahu bu, ala di n'elu-igwe: n'ihi nka ihere ha adigh-eme Chineke, ka akpọ Ya Chineke-ha: n'ihi na O doziworo ha otù obodo" (Ndi-Hibru 11:16).**

Ọ bụrụ na O doziri ya nye ha, O doziwo kwa ya nye anyị.

Oge ruru mgbe Abraham zutere ọgbaaghara nke ndụ ya. Anyị onweanyị kwa n'otù n'otù gaabịaru ebe ahụ mgbe náadịghị anya maọbụ mgbe emesịrị ebe anyị gaenwe mkpebi pụtara ìhè isogide Chineke rue ọgwụgwụ, n'ihe ọ bụla ọ pụrụ ifu anyị. Anyị pụrụ ijéru n'ọgwụgwụ ma ọ bụrụ na ọ pụrụtara ibipụ isi anyị? maọbụ anyị gaabụ ndị gaesi n'ọnọdụ ahụ laa azụ?

Abraham ruru ebe ahụ. Náenweghị mmụwá nke mbaraigwe (ka iri arọ abụọ na ise gasịrị o jị chèrè mmezu nke mkwà Chineke na site ná mkpụrụ ya ka agaagọzi mba niile nke ụwa) Chineke kwuruokwu: "Abraham." O wee za, "Lekwam." Chineke wee sị, "Were nwa-gi nwoke nke ị nwere náni ya, onye ị huru n'anya, bú Aisak, je ala Moraia: sure ya n'ebe ahu ka ọ buru àjà-nsure-ọku, n'elu otù nime ugwu ahụ nke M'gāsi gi je" (Jenesis 22:1, 2). Nke a bụ iwu ahụ. Gịnị ka Abraham mere? O biliri n'isi ụtụtụ echi ya, jikwaa nne ịnyịnyaibu ya, kee nkụ ya, kpọrọ nwa ya nwoke na ndị orù ya wee malite ịgá Moraia, ijè nke ụbọchị atọ. Ọ bụ n'ebe ahụ ka ọ gabigara nime ihe ahụ nke Chineke nyere ya n'iwu.

**"Aisak we gwa Abraham, bu nna-ya, okwu, si, Nnam; ọ si, Lekwam, nwam. Ọ si, Le, ọku na nkú: ma òle ebe nwa-aturu iji chu àjà-nsure-ọku di?**

**"Abraham we si, Chineke gāhuru onwe-ya nwa-aturu iji chu àjà-nsure-ọku, nwam" (Jenesis 22:7, 8).**

Ibuamụmụ dị ukwu dị n'okwu ahụ n'ihi na Abraham narị eme nnọọ ihe n'ụzọ igosipụta iheàmà nke náanọchita anya ihe, n'ịrịgoro Ugwu Moraia, ihe ahụ nke ageje ime ka ọ pụta ìhè mgbe ọtụtụ narị arọ gasịrị site ná Mkpụrụ ahụ nke gaagọzi mba niile nke ụwa. O wee jide Aísak kee ya agbụ wee

tụkwasị ya n'elu ebe ịchụàjà ahụ wee welie mma ahụ. Mgbe ahụ Okwu Onyenweanyị bịaara ya, "Esetịla aka-gi tukwasi n'aru nwa-okoro ahu, eme-kwa-la ya ihe ọ bula: n'ihi na ugbu a ka M'mara na onye nātu egwù Chineke ka ị bu n'ihi na ị gbochigh nwa-gi nwoke, nke ị nwere náni ya, i were ya nyem" (Jenesis 22:12).

O kweghị ka ihe ahụ nke dị ezi nso n'obi ya were ọnọdụ mbụ n'ebe ịhụnanya nke o nwere n'ebe Chineke nọ. Ọ bụrụ na o bughịrị ụzọ debe Aisak n'elu ebeịchụàjà siterị ná mmalite, ọ gaghị enweworị ike idebe ya n'elu ebeịchụàjà mgbe óké nsogbu ahụ bịara. N'ebe Abraham nọ, egburu nwatakịrị ahụ. O nwere ntụkwasịobi na ya naefè Chineke onye, ọ bụrụ na ya emezue iwu ahụ nke Chineke nyeworo ya, nwere ike ime ka nwa ya si n'ọnwụ bilite.

**"Ebe ọ nāgu na Chineke puru ime ka o si ọbuná na ndi nwuru anwu bilie; nke ọ nāghachi-kwa-ra ya site n'ebe ahu nime ilu" (Ndi-Hibru 11:19).**

Chineke enyewo anyị n'ebe ahụ mmezu nke mmadụ n'ụzọ dị ntà nke ihe ahụ mere n'Eluigwe mgbe "Chineke huru uwa n'anya otú a, na O nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru náni ya." Okwu ahụ bụ́ "nyere" pụtara na O nyebigara náánị otù Ọkpara Ọ mụrụ.

**"N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na O nyere ọbụná Ọkpara Ọ muru náni Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi, kama ka o nwe ndu ebigh-ebi" (Jọn 3:16).**